# NTỤLE ỌDỊMARA AHỤMỌNỤ NWANYỊ N'ỌZỤBỤLỤ NA ABATETE N'USORO NCHEKE

**Chinyelu Obiageli Muoto**
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*
*08038849477*

**&**

**Thecla Ngọzi Udemmadụ**
*07038296805*
*tn.udemmadu@unizik.edu.ng*
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*

**Ụmịedemede**

Nchọcha a bụ nke ga-atụle ọdịmara ahụmọnụ nwanyị n'obodo Ọzụbụlụ na Abatete n'usoro ncheke. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta ihe ndị Ọzụbụlụ na Abatete kpọrọ ịhụọnụ nwanyị ha, ịchọpụta ọdịmara pụtagasịrị ihe n'ịhụọnụ nwanyị n'obodo Ọzụbụlụ na Abatete, ịchọpụta mmado dị iche iche na mpụtara dị n'ahụmọnụ nwanyị n'obodo abụọ a, ịchọpụta myiri na ndịiche dị n'ịhụọnụ nwanyị n'Ọzụbụlụ na Abatete, ịchọpụta ma e nweela ihe mgbanwe dị n'ahụmọnụ nwanyị n'obodo abụọ a. Usoro nchọcha a ga-agbaso bụ nke nkọwasị na sọvee. Atụtụ ga-agbazi ụzọ ntụle nchọcha a bụ atụtụ njirime na atụtụ ndịna ncheke. Nchọpụta na-egosi na aha Ọzụbụlụ na-akpọ ahụmọnụ nwanyị bụ ime akụ, ebe Abatete na-akpọ ya ịka akịlịka. Ọdịmara pụtagasịrị ihe banyere ihe ha jigasị ahụọnụ nwanyị bụ: Ọzụbụlụ ji mkpirisi aziza, maọbụ ogirisi, ego ayọrọ wdg, Abatete ji akịlịka igu nkwụ maọbụ nke ngwọ, akpụrụ ewu, wdg. Ihe ndị a na-ekpuchi bụ ego; ọgụ ego, nnụ ego, akpa ego, ego mmege, wdg. A chọpụakwara na obodo abụọ a anaghị amado otu ihe n'elu ihe ndị ahụ ha ji ahụọnụ nwanyị ha. Ịmaatụ, n'ọdịnala Ọzụbụlụ, e ji ọgbụehi amado n'elu ehi ọgọ ha ga-akpụta ma ọgọ ya nwoke maọbụ nke nwanyị nwụọ. N'Abatete, e ji mkpọ ntụ abụọ amado n'ehi ọgọ ga-akpụta mgbe ọgọ ya abụọ nwụrụ. Na mmechi, ọ dịmkpa ka ndị ọkammụta, ndị nchọcha, ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ ga-agbalị mee nchọcha n'ụdị isiokwu a maọbụ nke yiri ya n'asụsụ mba ọzọ na steeti ndị ọzọ, ka ndị na-etolite etolite wee nwee ebe mgbakwasa ụkwụ. Ọzọkwasị, nhazị na nkuzi ọdịnala Igbo dị oke mkpa n'ihi ya o kwesịrị ka obodo ọbụla nwee ndị maara ọdịnala obodo ha nke ọma maka ịza na ịkọwa maka ọdịnala ha mgbe ọbụla achọrọ.

**Mkpọlịte**

Ihe kpalitere mmuo nwa nchocha ime nchocha n'isiokwu a bu ka e wee gbaa n'anwu ihe ndi bu odimara. Ozo bu ka a maragasia Odimara na-aputagasi ihe n'ahumonu nwanyi. Ka amatakwuo mmado mmaado zoro ezo na-aputa ihe mbge a na-ahu nwanyi, tinyere mputara ha.

N'ala Igbo niile, obodo dị iche iche nwegbadoro ọdịmara ha, ya bụ ihe pụtara ihe e ji mara ha tụmadụ n'ihe gbasara ahụmọnụ nwanyị. N'omenala Igbo, a na-esi n'ọdịmara ndị ahụ ama ndị bụ ndị, a kpọzie ọdịmara ahụ, e si na ya mara obodo a na-ekwu maka ya.

Na nkọwa Cohen (1974), ọdịmara bụ ihe agwa (omume), ihe nchepụta ma ọ bụ mmepụta si n'asụsụ nke na-akpalite mmetụta obi mmadụ ka ọ kpaa agwa. Ihe e ji enwe ọdịmara bụ maka na a nabatara ya dị ka otu ihe na-anọchi anya ihe ndị ọzọ, nke na-esi n'ihe a na-emetu aka egosi ihe a naghị emetụ aka, ma na-esi n'ihe a na-ekwu maka ya na-egosi ọtụtụ ihe e kwughị maka ha Firth (1974).

N'oge gboo, ndị ọchịchị àgbụ̀rụ̀ dị iche iche na-eyi uwe e ji akpụkpọ ọdụm ma ọbụ agu wee mee; nke ndị ọchịchị ndị nna nna ha yiri n'oge ha na-achị. Uwe ndị ahụ bụ ọdịmara na-egosi mmasị ha nwere n'agwa ndị nna ha ochie kpara. Ọdịmara ndị ahụ na-egosikwa ha dị ka ndị Eze na-akpa ike, anaghị atụ egwu n'inye iwu n'ebe ha na-achị.

Site na nkọwa a, o doro anya na ọdịmara bụ usoro nghọta okwu a na-esi na ya ahafe ọdịnala obodo site n'aka fere aka. Ọ bụkwa njirimara obodo n'ekwumokwu, maka, n'ala Igbo, e kwue maka igbu ewu ukwu, ndị Igbo ga-ama na ọ bụ ndị Mbaise ma ọ bụ Owere ka na-ekwu maka ya. Otu aka ahụkwa, ịma ọgọdọ bụ maka Ọzụbụlụna mpaghara Nnewi. E kwuokwanụ maka ịgbụ ichi, ọ bụrụ Neni, wdg.

Ebe ọzọ okwu ọdịmara na-apụta ihe n'uju bụ n'ahụmọnụ nwanyị n'ala Igbo, ọ kachasị n'obodo Ọzụbụlụ na Abatete. Ụdị ọdịmara na-apụta ihe n'alụm di na nwunye bụ nke e ji ncheke akọwapụta. Ncheke bụ ọlọrọ ọhụrụ na amụmamụ sayensi asụsụ. Ọ na-akpalitekarị mmụọ nchemi echiche gbasara ihe a na-ekwu maka ya. Ndị ọkachamara na amụmamụ a na-akọwa na nghọta asụsụ tumadụ nke ekereuche gụnyere iji ihe nhụrụnanya mado ihe nhụrụnuche ma sitezie n'ebe ahụ kepụta echiche na nghọta nke gaara ara ahụ n'asụsụ. Tinyere nke a, ha kwenyekwara na ngwa mmụta nke dị n'ụbụrụ, na ịghọta ekwumekwu; nke mere na ọnụụ ga-enwe ike nabata, hazie ma zaghachi azịza a tụrụ anya n'aka ya n'ụbụbọ. Ha kọwakwarana mbụrụ bụ otu ụzọ ọsụ asụsụ si eji ihe nhụrụnanya na-aghọta ihe nhụrụnuche; bụkwa atụmatụokwu nke a na-eji otu ihe amado n'ihe ọzọ n'enweghị agwara. N'ihi nke a, ncheke ha mbụrụ abụrụla a hụghị ete ma si etela nkwụ.

Mmekọ a ọdịmara, ncheke na mbụrụ na-enwe n'izipụta nghọta okwu Igbo ezoghizi ezo, tụmadụ n'ahụmọnụ nwanyị. Ọ bụ ya kpatara isiokwu nchọcha a ji bụrụ "Ntụle ọdịmara ahụmọnụ nwanyị n'obodo Ọzụbụlụ na Abatete n'usoro Ncheke.

Ajuju nchọcha

1. Kedu aha ndi Ozubulu na Abatete kporo ahumonu nwanyi n'usoro odinala ha?
2. Olee odimara di n'ihu onu nwanyi n'Ozubulu na Abatete?
3. Kedu mmado putagasiri ihe n'ihu onu nwanyi n'Ozubulu na Abatete?
4. Kedu myiri na ndiiche di n'ihu onu nwanyi n'obodo abuo a?

**Ntulegharị agụmagụ**
Ọkpụrụkpụ okwu metụtara isiokwu a gụnyere – omenala na ọdịnala, ọdịmara, mbụrụ, amụmamụ ncheke na ahụmọnụ nwanyị.

**Omenala na ọdịnala**
Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ, akparamagwa, nkwenye, nhụrụụwa ha na akara ha kwenyere na ya ihe ha marala ahu, n'ihi na ha na-emeya kwa mgbe nke na-esi n'aka fere n'aka, site na mmekọrịta nakwa njije (Hofstede, 1997). Na nkọwa Emenanjo (2000) ọ bụla nwere omenala nke aka ha, etu ha si arụ ụlọ, akọ ugbo, eme mmemme, eri nrị, nwekwa otu ha si ahụta ụwa na ihe na-eme na ya. Ndị ọ bụla nwere nsirihụ ụwa ha na etu ha si asọpụrụ ike kasị ike n'ụwa na otu ha si ebi ndụ.

Nkọwa Okebalama (2003) gbasara omenala na ọdịnala, nke gụnyere nkwenye ha na ka ha si eme ọtụtụ ihe. Emenanjọ (2000) na-akọwa omenala dị ka usoro obodo si eme ihe nakwa ihe ndị ha kpọrọ mkpa n'obodo ha, bụ nke a na-ahafe site n'aka fere aka; ọ bụ ihe nne na nna gabigara na ndụ, nke ha na-ahafe site na ndụdụgandụ wee ruo na ndụdụgandụ.

Nghọta si ebe a na-egosikwa na ihe dị iche n'omenala na ọdịnala bụ na ọdịnala bụ ihe dị ọkpụtọrọkpụ, emume dị bụ kemgbe Igbo malitere, tupu e bido gbakwụnyewe mgbanwe a mụtara amụta na ha. Nke a na-egosi na ọdịnala bụ okenye n'ebe omenala dị.

**Ọdịmara (*Symbol*)**
Nke a bụ mkpụrụ okwu ma ọ bụ ọtụtụ mkpụrụ okwu a naghị esi na mkpụrụ okwu mebere ha akọwapụta ha. Mbah na Mbah (2014) kwụrụ na ọdịmara so n'ụdị okwu ahụ. Ha na-ekwukwa na ọdịmara so n'asusụ ǹkà. Na nkọwa Matthews (2007), ọdịmara bụ okwu ndị nghọta ha na mpụtara ha na-esite na nkwekọrịta ndị nwe asusụ nwere gbasara okwu ahụ; ya bụ nghọta dị na ya na-esite n'ihe ụdị okwu ahụ pụtara na nghọta ndị nwe asusụ ahụ.

Nke a bụ iji ihe a hụrụ anya we dochite ihe ahụghị anya iji zipụta ma ọ bụ kepụta echiche ihe a na-ekwu maka ya. Ihe nke a na-egosi bụ na ọdịmara bụ ihe nnọchite nke a na-ahụ anya, nke e jiri mara mmadụ, obodo ma ọ bụ ihe nkịtị. Ịmaatụ:Ọdịmara nọchịte anya mmadụ:Okpu mmee - ndị chiri echiche. Ọdịmara nọchitere anya obodo, e kwuo: ịkụ azụ - Ogbaru, ịkpụ arụ ọ bụrụ ndị Nri. Na nchọcha a, ọdịmara pụtara ihe na ya bụ: akịlịka igu – Abatete; mkpirisi aziza - Ọzụbụlụ. E lekwaa anya n'ọdịmara ihe ndị a na-asọ, a ga-ahụ: Ewi – Nnewi, enwe - Ọka .Odimara nochiri ihe e ji ahu onu nwanyi bu osisi ogirisi. Akpuru ewu, ego ayoro wdg.

**Mbụrụ**
Nke a bụ atụmatụ okwu ma ọ bụ atụmatụ agụmagụ na-akọwa na ihe a na-ekwu maka ya bụ ihe ahụ kpomkwem site n'agwara ya. Ọfọmata (2013) kọwarana mbụrụ anọghị na ntụnyere, dị ka myiri siri dị.Mbụrụ anaghị asị na ihe "dị ka", kama ọ na-akọwa na ihe "bụ". Ịmaatụ: "Nwata ahụ bụ Agụ" – Osiri ike.

Na nkọwa Ngọesi (2004), mbụrụ bụ otu n'ime atụmatụ agụmagụ e nwere n'asụsụ ọ bụla tụmadụ n'asusụ Igbo.Ọ bụ ngwa asusụ na-enye aka n'ịghọta ekereuche dị iche iche.Mana nwaafọ Igbo ọ bụ la maara ihe ekwe na-akụ ga-eji akọnuche ya ghọta ya n'egbughị oge mgbe a na-akọwa ya. Na nkọwa nke a, mbụrụ bụ atụmatụ agụmagụ na-egosi na ihe a na-ekwu maka ya bụzị ihe ọzọ iji gosi ka akparamagwa na ọdịdị ha siri bụrụ otu. Ịmaatụ: "Obi bụ mbe" – agwa

mbe bụ "aghụghọ". Ihe ọ pụtara bụ na Obi na-aghọ aghụghọ. Obi bu Ezi.' Putara na Obi na-eru unyi.

Otu aka ahụkwa, Deignam (2003), kọwara mbụrụ dị ka atụmatụ okwu nke na-eji otu mkpụrụokwu ma ọ bụ nkejiahịrị si na ihe bụ ihe ọzọ site n'agwara e jiri mara ihe ahụ e ji atụnyere ya. Na nkọwa ya, nwaafọ asụsụ ọ bụla na-aghọta asụsụ ha nke ọma karia ndị abụghị nwaafọ. Nwaafọ Igbo na-aka onye Yoruba aghọta asusụ Igbo, ọ kachasị nke miri emi dị ka mbụrụ, n'ihi na a tụọrọ ọ mara ọ mara, a tụọrọ ofeke, o fenye isi n'ọhịa. Ya mere Igbo jiri si na onye a tụụrụ ilu kọwaara ya, ego e jiri lụọ nne ya lara n'iyi. Lee agwara ndị a na mpụtara ha:

| Ewu/atụrụ | Nzuzu/mmegheri |
|---|---|
| Mbe | Aghọghọ |
| Agụ | Ịkpa ike/isi ike |
| Ezi | Unyi |

Na nchịkọta, mbụrụ dị ka otu n'ime atụmatụ okwu nke e ji ekwu okwu n'ụzọ mkpuke. E ji ya ekwu ọtụtụ ihe na-ata arụ na ntị ma ọ bụ okwu nwere ike ibute esemokwu n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọzọ ebe myiri na-asị na ihe a yiri ma ọ bụ dị ka ihe a, mbụrụ na-ekwu ka ihe dị kpọmkwem sitena agwa ihe ahụ na-akpa.

**Amụmamụ ncheke**

Amụmamụ asụsụ ncheke bụ ọlọrọ ọhụrụ na amụmamụ sayensị asụsụ. Ọ bụ ndọrọndọrọ dị n'etiti ndị otu tụpụtara amụmamụ nsinagburugburu na nsinanụbụrụ mere ka amụmamụ a malite n'afọ 1987. Ọ bụ Andrew Ortony, Renald Langacker, Mark Johnson na George Lakoff malitere ya. Ha tụlere amụma abụọ ndị a dị n'elu, wee tụpụta na ha abụọ dị mkpa n'amụmamụ asụsụ.Ha kwenyere na ngwa mmụta asụsụ dị mkpa n'ihi na ọ bụrụ na e nweghị ngwa a, nwata agaghị amụta asụsụ, ma ọ bụrụịị na e nwezuru ihe niile ọ chọrọ na gburu gburu ya.

N'aka nke ọzọkwa, ha kwuru na ọ bụrụ na nwata bụ ngwa mmụta asụsụ pụta ụwa mana ọ nweghị ihe ọ hụrụ na gburu gburu ya, ọ gaghị amụta ihe ọ bụla. E meela nchọcha kwadoro ọnọdụ a ebe a mụrụ nwata, kpọchibido ya otu ebe, n'enweghị onye ya na ya na-emekọrịta afọ abụọ. Mgbe a tọghepụrụ ya, o nweghị asụsụ ọ bụla ọ mụtara. N'ihi ihe ndị a, ndị otu amụmamụ ncheke kwenyere na ma ngwa mmụta asụsụ, ma gburu gburu dị mkpa iji mụta asụsụ. Ha gara n'ihu kọwaa na ọ bụ ntọala gburu gburu na-enye kpatara e ji akọwali ihe mbunuche n'agbanyeghị na anaghị ahụta ma ọ bụ metu ya aka.

**Alụmalụ**

Na mbụ, anaghị ere nwanyị ka a na-ere ngwa ahịa. Obodo ọ bụla nwere ka ha si aghọta ihe nhurunuche dị ka o siri metụta ala mmụọ na ala mmadụ site n'ihe nhụrụnanya. Ha kwenyesiri

ike na mmekọrịta ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Otu ụzọ pụtara ihe na mmekọ ndị a bụ n’ebe omenala na ewumewu Igbo dị dị ka o si metụta alụmalụ kpọmkwem n’ebe ịhụ ọnụ nwanyị dị, nke bụ ebe isiokwu a gbadoro ụkwụ.

Nke a bụ ijigasi ihe a hụrụ anya bụ ọdịmara dị ka: mkpụrụ aziza, akpụrụ ewu, nsị ewu, ego ayọrọ, sisi, nzu, mkpụrụ akị, ugbene ọkụkọ, akịlịka igu, onye aka ebe wdg ka ha bụrụ ihe njikọ ndị dị ndụ na ndị lara mmụọ, bụ ihe ndị nna nna anyị ha dobere mgbe ha dị ndụ. Ọ bụzi okwu mbụrụ ka ha ji ezipụta ihe nhụrụnanya ha na-amado n’ihe nhụrụnuche dị ka o siri metụta ngwa ndị ahụ e ji ahụ ọnụ, nke pụtara na ngwa ndị ahụ enwegbadoro ihe nhụrụnuche ha nọchitere.

Igbo na-asụ n’olu n’olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu.Obodo dị iche iche nwere ihe ha na-akpọ ịhụ ọnụ nwanyị. Ụfọdụ kpọrọ ya: ime akụ, ịtàyị̀ ụkà, ịkwụ ngọ, ịka akịlịka, ịma ògụ̀àkụ, ịzụ ahịa nwanyị, ibu ọkụ nwanyị wdg.

Osuagwu (2004:42) mere ka o doo anya na ihe a na-akpọ ịhụ ọnụ nwanyị bụ “ịgba ngọ,”Ogbuagu (2013) kpọrọ ya ịhụ ọnụ nwanyị, Ekwealo (1998) o kpọro ya, isi akụ nwanyị, Anozie (2003) kpọkwaziri ya “ịzụ ahịa nwanyị”.

Na nchịkọta, alụmalụ malitere n’ogige Eden.E ji ego na ibute mmaị eme ego nwanyị n’ala Igbo, tinyere nkwekọrịta na a naghị ere mmadụ ere. A na-enwekwa ọtụtụ ịgba izu n’ịhụ ọnụ nwanyị. Nghọta ọzọ pụtara ihe bụ na e nwere asusụ nka n’okwu ịhụ ọnụ nwanyị. E nwere ọdịmara na-apụta ihe dị ka osisi azịza, ajịrịja, onye aka ebe wdg.Ihe e ji ahụ ọnụ nwanyị na ego eji alụ ọnụ nwanyị na-esite na nkwekọrịta obodo, tinyere na ọ bụghị onye ọ bụla na-eso ahụ ọnụ nwanyị.

**Nnyocha Atụtụ**

E nyochara atụtụ abụọ dabara nke ọma na nchọcha a. Ha bụ atụtụ ndịna ncheke nke Lakoff na Johnson n’afọ 1980, tinye atụtụ njirime nke Ludwig Wittgenstein n’afọ 1953.

Atụtụ ndịna ncheke kwenyere na o nwere ngwa asụsụ dị n’ụbụrụ nwata a mụrụ ọhụrụ bu wee pụta ụwa, maka na ọ bụghị mmadụ kuziiri nwa a mụrụ ọhụrụ ihe bụ ibe akwa mgbe o nwere ihe na-akpa ya. N’otu aka ahụ, e nwere ihe nwata a mụrụ ọhụrụ si na gburu gburu ya amụta nke mere na nwata na-asụ asụsụ Igbo a kpọgara n’ala Awụsa, nọọ afọ abụọ, ọ ga-amalite ịsụ asusụ Awụsa nke ọma. Ọ bụ gburu gburu ahụ ọ nọ ka asụsụ abụọ a si wee bata ya n’ọnụ.

N’aka nke ọzọ, atụtụ njirime dị ka Anagbogu, Mbah na Eme (2010) si wee kọwa ya bụ mpụtara mkpụrụ okwu na-abụ otu ọgbakọ obodo ahụ si eji okwu ahụ eme ihe. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụrụ na obodo ahụ ejighị okwu ahụ eme ihe, o gosi na mkpụrụ okwu ahụ enweghị mpụtara ọ bụla. Ịmaatụ:

| **Obodo** | **Asụsụ** | **Mpụtara** | **Bekee** |
|---|---|---|---|
| Ọzụbụlụ | Takpo ya mmiri | Gba ya nkịtị | Keep quiet |
| Nnewi | Nebee duu | Gba ya nkịtị | Keep quiet |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Enugwu-Ezike | Gbakpomaa nkishi echi | Gba ya nkiti | Keep quiet |
| Ogwu | Ebighilekwelie olu | Gba ya nkiti | Keep quiet |

Ihe ọmụmaatụ a pụtara bụna ihe onye bara nkịta ya ka ọ na-aza. Nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Atụtụ njirime dabara nke ọma na nchọcha a n'ihi na echiche na nghọta okwu ọ bụ la nwere sitere n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ọ nọ na ya. Tinyere nke a, atụtụ ndịnancheke dabakwara adaba n'ihi na ọ kọwara otu mmadụ si atapịa ma ọ bụ hazie okwu o si na mpụga ma ọ bụ n'iro nweta n'ụbụrụ ya. Ọ dị mkpa iji atụtụ ndịnancheke kọwaa nchọcha a ebe ọ bụ na nchọcha a metụtara echiche na omenala banyere ntule ọdimara ahụmọnụ nwanyị n'ala Igbo.

**Ime akụ n'obodo Ọzụbụlụ na ịka akịlịka n'obodo Abatete**

Ọzụbụlụ bụ ótù n'ime obodo anọ dị n'okpuru ọchịchị Ekwusigo nke steeti Anambara. Ọ bụ ọnụmara anọ mejupụtara ya. Ha bụ Amakwa, Egbeme, Eziora na Nza. N'ótù aka ahụkwa, Abatete dị n'okpuru ọchịchị Idemili Nọọtụ na steeti Anambara. Ọ bụkwa onumara anọ mejupụtakwara ya. Ha bụ: Ọgbụ, Nsụkwụ, Ọdịda na Agbaja.

Ihe nhụrụnanya ndị Ọzụbụlụ na-amado n'ihe nhụrụnuche mgbe ha na-eme akụ nwanyị bụ: mkpirisi azịza, ọmụ kwu, mpe mpe ọgọdọ, mpi ewu abụọ, ome ji, ọgbụ ehi, ogbe ji wdg. Ihe nhụrụnanya ndị Abatete na-amado n'ihe nhụrụnuche mgbe ha na-eme ahụmọnụ nwanyị ha bụ: ọkụkọ mmụọ, ego ọjị, ego eze, ewu mgbu, mkpọ ntụ abụọ, enini ego.

**Ntụlekọrịta ọdịmara ahụmọnụ nwanyị n'Ọzụbụlụ na Abatete n'usoro ncheke**

E nwere ọtụtụ ndịiche n'ịhụ ọnụ nwanyị n'Ọzụbụlụ na Abatete, Abatete kpọrọ ya ịka akịlịka, ebe Ọzụbụlu kpọrọ ya ime akụ. Ọzụbụlụ ji akpurụ ewu, mkpirisi aziza, ego mmego dị ka ihe nhụrụnanya ha ji ahụ ọnụ nwanyị: a ga-agbasa ha n'ala, ma Abatete na-achị ukwu akịlịka igu nkwu, maọbụ akpụrụ ewu n'aka mgbe a na-eme mmemme a

N'Ọzụbụlụ, nwoke na-alụ nwanyị nwere ike ịba n'ụlọ ebe a na-ahụ ọnụ nwanyị, ma ọ gaghị ata pịm. N'Abatete, naanị nwanne nwoke onye na-alụ nwanyị ma ọ bụ nna ya nwere ike iso ka akịlịka.

Abatete ji otu akịlịka a tọgbọrọ n'ala ezipụta 'ego eze', nhụrụnuche ya bụ piisi ọgọdọ a ga-azụtara nne nwunye ya ma ọ bia ile ọmụgwọ. N'aka nke ọzọ, Ọzụbụlụ ji mpekele ọgọdọ ezipụta nke a.

N'Abatete, e ji mkpọ ntụ abụọ egosi ehi ọgọ ga-akpụta mgbe ọgọ ya nwụrụ. N'Ọzụbụlụ, ọ bụ ọgbụ ehi abụọ ka e ji ezipụta nke a. Ọ bụ ughene ọkụkọ ka Abatete ji ezipụta 'ọkụkọ mmụọ' bụ ọkụkọ chara acha ọgọ ga-anwụtara ọgọ ya n'awam ji. Ndị Ọzụbụlụ jikwa ugbene ọkụko ezipụtakwa na ha ga- anwụta ọkụkụ, butekwara ọgọ ya mmaị.

Ọzụbụlụ na-eji ogbe ji otu narị na ise nke ọgọ ga-eji turu nwunye ya egbugbu bụ omenala nwata nwagboghobịa ga-eji baa na nne nwanyị. Ndị Abatete anaghị eme nke a. Ọzụbụlụ na-ejikwa piisi akwa agwa nwoke bịara ịlụ nwanyị na ọ ga-eweta akwa mara mma

nke ọ ga-eji maa nwunye ya ọgọdọ iji gosi na ọ pụọla n'otu ụmụ agbọghọ banyezie n'otu ibiliachi, ndị Abatete enweghị nke a. Ndị Abatete na-ewebata ihe ha kpọrọ 'enini ego' nke buzi akpakwuru akpakwuru ego nwoke na-alụ nwanyị ga-emezi n'isi nwunye ya bụ ego fọziri n'aka onye aka ebe mgbe e mechara ego nwanyị. Abatete kpọrọ onye nje ozi n'etiti ọgọ na ọgọ 'onye aka ebe', Ọzụbụlụ kpọrọ ya 'onye mbe'. Abatete kpọrọ ọgọ ịmalụ n'ụlọ ọgọ ya 'ọgọ malụ be', Ọzụbụlụ kpọrọ ya 'amalụmụ ụzọ ọgọ'.

**Myiri dị n'etiti ime akụ nwanyị n' Ọzụbụlụ na ike akịlịka n'Abatete**

N'obodo Ọzụbụlụ na Abatete, ọgbụ ehi na mkpọ ntụ na-ezipụtagbado ehi ọgọ ji eje akwa ọgọ ya. A naghị akpọta ego aha mgbe obodo abụọ a na-ahụ ọnụ nwanyị n'ihi na ha kwenyechara na nwanyị abụghị ngwa ahịa a kpọbara n'Orie Akpụ Ọzụbụlụ ma ọ bụ n'Ekeagụ Abatete. Ọtụtụ okwu a na-ewebata mgbe a na-ahụ ọnụ nwanyị n'obodo abụọ a na-abụkarị okwu mbụrụ ka ofeke ghara ịma mgbe e kere nkụ ụkwa.

Ụdị mmanya dị iche iche dị ka: mmanya elu, ngwo, nkwụ ọkụ na-apụtakarị ihe n'ịhụ ọnụ nwanyị n'obodo abụọ.

N'obodo abụọ a, ịhụ ọnụ nwanyị na-eme ka ukwu ruo nwanyị a na-alụ alụ n'ala. Ọ na-emekwa ka o nwee ọnụ okwu n'ezi na ụlọ ọ batara . Obodo abụọ a kwenyere na nwanyị e meghị ego n'isi ya gbasoro nwoke ahụ agbaso. Ọ bụghị ezigbo ihe ma ọlị.

**Ndị iche dị n'ịhụ ọnụ nwanyị n'oge gboo na oge ugbu a n'ọdịnala Ọzụbụlụ na Abatete**

N'oge gboo a naghị akpọtakarị ego aha, ma ugbu a, ego bụ isi ihe niile. Na gboo, nna mụ nwa na-amanye aka, sere ntakịrị ego, gwazie ọgọ ya ka o leziere ya ada ya anya nke ọma. Ọ dịchaghị otu a oge ugbu a.

Ọ bụ ego ayọrọ, ego mmege, nnụ ego, afịa na anọ wdg ka e ji ahụ ọnụ nwanyị oge gboo, e jizi naịra, dola, pawuns wdg emezi ya ugbu a. N'oge gboo, okwu ilu na asụsụ Igbo akụghị mmiri ka eji ahụ ọnụ nwanyị, ma ugbu a, ọ bụzị ngiligbo ma ọ bụ Bkee ka e ji ekwu okwu nwanyị ugbu a.

**Mmechi**

N'ime nchọcha a, a chọpụtara ihe bụ ịhụ ọnụ nwanyị na aha a kpogasịrị ya n'obodo Ọzụbụlụ na Abatete. A chọpụtakwara ihe nhụrụnanya e jiri madogasị ihe nhụrụnuche dị ka o siri metụta ihe ndị e jigasị ahụ ọnụ nwanyị. A chọpụtakwara na ndị Ọzụbụlụ na Abatete nwegasikwara ihe ndị ọzọ n'abụghị ego bụ ihe ndị a hụgasịrị anya nke ha si n'ụzọ mbụrụ wee na-akọwapụtara ndị bịara ịhụ ọnụ nwanyị, ihe a tụrụ anya n'aka ha na ha ga-eweta iji mejpụta ebumnobi ịhụ ọnụ nwanyị a. Ịma atụ: "ọmụ nkwu" n'Ọzụbụlụ pụtara "nkwụ ọcha", "ọkụkọ mmụọ" n'Abatete pụtara "ọkụkụ awam ji".

Site n'ajụjụ ọnụ a gbara, a achoputara na e ji ego na ibute mmanya eme ego nwanyi n'ala Igbo, tinyere nkwekorita na a nghi ere nwanyi ere. A na-enwezikwa otutu igba izu n'ihu onu nwanyi. E nwere odimara na-aputa ihe di ka ihe di ka osisi, aziza, ego ayoro ,onye aka ebe wdg. Ihe e ji ahu onu nwanyi na ego e ji ahu onu nwanyi na-esite na nkwekorita obodo, tinyere na o bughi onye ọ bụla na-eso ahụ ọnụ nwanyị.

**Edensibịa**

Anozie, C.C. (2003). *Igbokwenu (Akụkọ na Omenala Ndị Igbo).* Enugu: Computer Edge Publishers.

Cohen, A. (1974). *Urban Ethnically.* London: Tariskock Publication.

Deignam, A. (2003). Metaphorical expression and culture: An indirect link, *Journal of Metaphor and Symbols, vol. 18.*

Ekwealor, C.C. (1999). *Omenala na Ewumewu ndị Igbo*. Onitsha: Paline Publishing and Links.

Emenanjọ, E.N. (1978). *Essentials of Modern Igbo Grammar: A Descriptive Approach.* Ibadan: Oxford University Press.

Emenanjọ, E.N. (2000). *Fọnọlọji na Mọfọloji n'Igbo Izugbe*. Onitsha: Vasity Publishing Company.

Firth, R.W. (1974). *The Urbanization of Sophia.* New York: Martin Associates.

Hofstede, G. (1997). *Culture and Organizations: Software of the Mind.* New York: McGraw Hill Publishers.

Lacoff, G. & Johnson, M. (1980). *Metaphors We Live by.* Chicago: University of Chicago Press.

Matthews, P. (2007). *The Concise Oxford Dictionary of Linguistics*. Cambridge: Cambridge University Press.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ*. Nsụka: University of Nigeria Press.

Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta Ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka Ule Siniọ Sekọndịrị*: Nkpọ: Optimal Press.

Ofomata, C.E. (2013). *Ndezu Ụtọ-Asụsụ Igbo*. Lagos: Longman Nigeria Plc.

Okebalamma, C.N. (2003). *Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu: Snaap Press.

Osuagwu, B.I.N. (2004). *Ndị Igbo na Omenala ha*. Lagos: Macmillan Publisher.

Wittgenstein, L. (1953). *Philosophical Investigation.* Oxford: Blackwell.